Nchịkọta Akwụkwọ Ejije Ederede Igbo: Afọ 1974 – 2020

By

Ogechukwu F. Chukwuneke,
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
ogechukwu.chukwuneke@unn.edu.ng

Chinedu C. Ezebube
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka
chinedu.ezebube@unn.edu.ng
&
Abuchi B. Anaduaka
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka

Ụmị

Nchịkọta akwụkwọ agụmagụ bara uru ma dịkwa ire. O nwere ike inyere ndị mmadụ ịmata ùtó e nwerela na ngalaba agụmagụ metụtara asụsụ ọbụla. Nchọcha a mere nchịkọta akwụkwọ ejije ederede Igbo malite n'afọ 1974 ruo 2020. A chọpụtara na e nweela ndị ọka n'agụmagụ mere ndepụta na nchịkọta n'ihe gbasara agụmagụ n'uju, iduuazị, ejije na abụ. N'agbanyeghị nke a, ndị nchọcha a ji nchọcha nke a were tinye oke ha n'ihe gbasara isiokwu nchọcha. E depụtara afọ mbipụta akwụkwọ ejije ederede Igbo malite n'afọ 1974 - 2020, aha odee ha, ụlọ ọrụ mbipụta nakwa jenda ndị odee. Ọ bụkwa ihe doro anya na ọ hịara ahụ idetazu akwụkwọ ejije ederede niile e nwere n'Igbo mana ndị nchọcha gbara mbọ ịhụ na e nwere ihe ọhụrụ e tikwasịrị n'elu nchọcha ndị e meburula gbasara ndekọta na nchịkọta agụmagụ Igbo. Ihe ndị a niile bụ mbọ a na-agba maka nkwalite asụsụ Igbo.

Ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ: Ejije, Igbo, nchịkọta

1. Mkpọlite

Ejije bụ mmadụ ijije agwa, ọnọdụ na ọdịdị mmadụ, mmụọ, na anụmanụ. Ejije na-ejije ihe niile dị n'ụwa, nke a na-ahụ anya ma nke ime mmụọ. Nwaanyị na-ejije nwoke ga-adị n'ụdị nwoke kpọmkwem.Otu aka ahụkwa, mmadụ ọbụla ga-ejije anụmanụ ga-adị ka anụmanụ ọ na-ejije. Ejije bụ emereme na-egosi okwukwe ndị Igbo banyere okike, obibi ndụ, ihe adịghị ahụ anya na ihe a na-ahụ anya. E ji ya egosi ezi omume, werekwa ya na-eto ihe ọma maọbụ aja mmadụ ike. Ejije ọbụla e dere ede n'akwụkwọ ma emepụtaghị ya emepụta e tozughị ka a kpọ ya ejije dịka emereme, kama e nwere ike ịkpọ nke a ejije dịka agụmagụ. Ejije dịka agụmagụ ka nwekwara ohere mmepụta n'elu nkwago; n'ihi nke a, agaghị asị na ọ bụghị ejije. Okwu a bụ "ejije" malitere n'obodo Athens nke dị na Greek n'afọ 543 na sechuri nke ise (5th century B. C). O sitere na mkpụrụokwu ndị Greek bụ *dran* (to do or to act) nke pụtara ime/gosi. Ọ bụ nwoke a na-akpọ Thespis bụ onye mbụ gosipụtara emereme n'ejije ijije mmadụ maọbụ ihe (Ikeokwu, 2021). O wepụtara onwe ya iji gosipụta ihe ya na ndị otu ya na-eme mgbe ha na-agụpụta ihe ngosi keaja iji kwanyere chi ndị Greek ugwu. Ya bụ na ejije sitere n'ịchụ aja maọbụ ofufe ndị Greek na-efe chi ha pụta. Ọ bụ site n''ijije' maọbụ 'ṅnomi' ka ejije si nweta aha ya taa.

Agụmagụ ederede nwere njirimara na-akọ maka ndụ na obibi ya bụ nke metụtara emereme na mkparịtaụka (Akaeze, Aboh & Ugwuoke, 2021). Tupu a kpọọ emereme ọbụla ejije, a ga-ebu ụzọ mepụta ya ugboro ugboro n'elu nkwago maọbụ, ederede ya enwee ihe ntụziaka a ga-egosipụta n'elu nkwago. Ejije jupụtara na mkparịtaụka. Ejije Igbo malitere n'afọ 1974 oge a lụchara agha Bịafra. Agụmagụ ejije Igbo mbụ e dere bụ *Udo ka mma* nke Anelechi B. Chukuezi dere. Oge e dechara akwụkwọ ejije a, e dekwara akwụkwọ ejije Igbo ọzọ bụ *Ụmụ ejima* nke sitere n'aka S. O. Mezu. Ha abụọ bụ nke e bipụtara n'afọ 1974. Site mgbe ahụ rue ugbua, e nweela ọtụtụ ejije ndị e dere n'asụsụ Igbo.

Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ọrụ mbụ e dere n'Igbo bụ nke *Omenụkọ* nke Pita Nwana, Ka nke a gasịrị, e nwee *Ala Bingo* nke D. N. Achara. Okodo (2012) rụtụrụ aka na ọrụ ndị a enweghị ọrụ ndị sochiri ha maka ndọrọndọrọ ọtọgrafi nke dọghachiri aka elekere n'odide agụmagụ. Nwadike (1998) kọwara na oge e mechiri ndọrọndọrọ a n'afọ 1961, agha Nigeria - Biafra (1967-1970) malitere ma bụrụ nnukwu ihe ịma aka nye odide agụmagụ Igbo. Oge agha biri n'afọ 1970-1972, ndị

mmadụ agha ghasara ndụ ha malitere ịtụtụkọta ndụ ha tupu e nwee odide ejije Igbo mbụ n'afọ 1974. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na Mbah and Mbah (2007) kwuru na tupu mmalite agha Naijiria na Biafra, e nweela ụfọdụ ọdịnịigha Igbo ederede mana otu ihe pụtara ihe n'agụmagụ ndị a bụ na e ji ọtọgrafi ochie dee ha. Ọzọ, o nweghi nke n'ime ha bụ ejije.

Mbunuche nchọcha a bụ ịchịkọta akwụkwọ ejije ederede Igbo ndị e bipụtarala malite n'afọ 1974 – 2020. Nke a dị mkpa maka na ihe gbasara ejije na nchịkọta ya bụ nke a na-eleghara anya oge ụfọdụ ebe ọ bụ na ndị mmadụ na-aka enwe mmasị n'iduuazị karịa n'ejije. Nchịkọta dị etu a ga-agba n'anwụ, mbo a na-agba n'odide ejije Igbo ma bụrụkwa ihe agbamume nye ndị odee agụmagụ Igbo iwebata nka ha n'odide ejije. Site n'ihe mkpali ndị a, ọrụ nchọcha a mere nchịkọta ejije ederede Igbo malite n'afọ 1974 ruo 2020.

2. Nchọcha ndị e merela

Ọtụtụ ndị nchọcha na ọkammụta n'agụmagụ Igbo emeela ndepụta maọbụ nchịkọta agụmagụ ederede n'Igbo. Ụfọdụ n'ime nchịkọta/ndepụta ndị a bụ ndị dị n'akwụkwọ ọgụgụ Igbo ebe ụfọdụ bụ ndị e bipụtara dịka obere mbipụta. Nwadike (2002) na (2014) mere ndepụta akwụkwọ agụmagụ Igbo malite n'afọ 1933 ruo 2001 nakwa afọ 1933 ruo 2013. E nwere ike ịsị na ọtụtụ nchịkọta bịara ka afọ 2002 gasịrị, gbadoro ụkwụ na nchịkọta Nwadike. Nnabụihe (2005) bipụtara akwụkwọ ebe o dere maka agụmagụ ederede Igbo malite n'afọ 1933-2003. Ọ bụghị naanị aha akwụkwọ na ndị odee ka Nnabụihe (2005) mere maka ya. O gosipụtara eserese foto ndị odee agụmagụ ndị a ma dekwaa akọndụ/edendụ ha iji nyere ndị mmadụ aka ịmata ndị ha bụ kpọmkwem. N'akwụkwọ ya, Nnabụihe lebara anya na ndị odee ngalaba agụmagụ dịgasị iche iche.

Okafor (2011) depụtara ụfọdụ akwụkwọ ejije ndị e bipụtarala n'Igbo. Ọ rụtụrụ aka na bido na 1980 gawa, na akwụkwọ ejije Igbo abawanyela site n'ịdị uchu na nzulite ụmụ Igbo na nka edemede. Ndepụta o mere dị iri abụọ na isii. O deturu ejije Igbo malite n'afọ 2001 ruo 2010. Ndepụta Okafor (2011) bụ n'ime akwụkwọ ọgụgụ ka ọ dị. Ọzọ, ọrụ ya agbadoghị ụkwụ naanị na ndepụta. Ọ tụlekwara isiokwu ndị ọzọ metụtara ejije.

Akaeze, Abọh na Ugwuoke (2021) mere ndepụta ụfọdụ iduuazị Igbo e bipụtarala malite n'afọ 1933 ruo 2019. Ha siri n'ebe abụọ dedata iduuazị ndị ha depụtara. Ha hazikwara ndepụta ha site n'ileba anya n'afọ mbipụta, odee, aha iduuazị na ụlọ ọrụ mbipụta. Ha depụtara ọtụtụ iduuazị e bipụtarala n'Igbo mana abụghị ebumnuche nchọcha a. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ejije ederede Igbo. Oraegbunam (2021) mere nchọcha maka abụ ederede Igbo nakwa mmepe e nwerela na ya. O nyochakwara etu ndị ụka mbụ bịara ala Igbo si nyere aka na nkwalite abụ ederede Igbo. Oraegbunam (2021) kewara abụ ederede Igbo n'agba ndị a dịka mmepe ha si dị - agba nke mbụ: 1975-1985; agba nke abụọ: 1986-1995; agba nke atọ: 1996-2005; na agba nke anọ: 2006-2015. Ọ rụtụkwara aka n'abụ ndị e bipụtara n'agba ndị a nakwa isi ihe sekpụ ntị ndị odee agba nke ọbụla gbadoro ụkwụ na ya.

Ikeokwu (2021) mere ndepụta nke ya gbasara ọmụmatụ ụfọdụ ejije ederede Igbo. Afọ ndị ọ rụtụrụ aka bụ malite n'afọ 1974 ruo 2021. Ọ gbara mbọ depụta ọtụtụ ejije ndị e dere n'asụsụ Igbo. Ọ nọrọ ebe ahụ rụtụ aka na o mebuola ndepụta ejije ederede n'afọ 2000. Otu ihe doro anya n'ọmụmatụ ejije ndị Ikeokwu (2021) depụtara bụ na ha gbara mbọ ịrụtụgasị aka n'ụfọdụ ejije e dere n'afọ ọbụla, mana nke a emetụchaghị ọtụtụ akwụkwọ ejije ederede Igbo. Iji maa atụ, naanị otu akwụkwọ ejije ka e depụtara maka afọ 2018. Ọzọ, ndepụta Ikeokwu (2021) bụ n'ime akwụkwọ ọgụgụ ka e mere ya, ebe a tụlekwara isiokwu ndị ọzọ metụtara ejije. N'agbanyeghị na ụfọdụ ndị emeela ndepụta maọbụ nchịkọta gbasara agụmagụ ederede Igbo, nchọcha nke a gbara mbọ ịga n'ihu ịmụbanye ejije ederede Igbo, ọkachasị dịka o si metụta idedata ụfọdụ akwụkwọ ejije nke ndị meburula nchịkọta ejije edepụtaghị. Nke a bụ oghere nke nchọcha a gbara mbọ mechie. Ọzọ, dịka Ikeokwu (2021) rụtụrụ aka, ejije e dere n'Igbo buru ibu nke mere na enweghị ike ịsị na ọnụọgụgụ ha dị etu a. N'ihi nke a, ọ dịghị mfe inwetacha ma depụtacha ha.

3. Usoro nchọcha

Ụdị nchọcha a gbasoro mee nchọcha a bụ nke sọvee ndepụta. Aha ọzọ a na-akpọkwa nke a bụ nchọcha ọnụọgụgụ. Australian Bureau of Statistics (nd) kọwara ụdị nchọcha a dịka nchọcha ebe a na-agụkọta data niile iji mara ọnụọgụgụ ha. Ngụkọta a metụtara njirimee nchọcha niile. Ụdị nchọcha a dabara nke ọma maka

na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nchịkọta na ndepụta akwụkwọ ejije ederede niile e nwere n'asụsụ Igbo.

Iji nweta data maka nchọcha a, a gara n'ụlọ ọrụ mbipụta dịgasị na steeti Abịa, Anambra, Ebọnyị, Enugu na Imo. E nwetara aha akwụkwọ ejije ndị ụlọ ọrụ bipụtarala ma gakwaa n'ahịa ndị dịgasị iche iche e nwere na steeti ndị a ma mekwaa ndekọta akwụkwọ ejije ederede. A gakwara n'ọba akwụkwọ ebe a na-amụ Igbo n'ala Naịjirịa ma detakwa aha akwụkwọ ejije ederede Igbo. A gbasokwara usoro ndepụta Hair (1967). Usoro a bụ nke nhazi ya na-eji afọ/deeti amalite ndepụta.

4. Akwụkwọ ejije ederede Igbo malite n'afọ 1974-2020

N'ebe a, a ga-eji eserese tebulu gosi akwụkwọ ejije ederede Igbo ndị a nakọtara n'ọrụ nchọcha a. E gosikwara afọ mbipụta, aha akwụkwọ, aha odee, ụlọ ọrụ mbipụta na jenda ndị odee akwụkwọ ejije ndị e depụtara,

Afọ mbipụta	**Aha akwụkwọ**	**Aha odee**	**Ụlọ ọrụ mbipụta**	**Jenda (N/Nw)**
1974	*Udo ka mma*	A. B. Chukuezi	Oxford University Press	N
1974	*Ụmụ ejima*	S. O. Mezu	Black Academy Press	N
1977	*Ọjaadịlị*	Odunke Artists	University Press Limited, Ibadan	N
1977	*Nwa Ngwii puo eze*	B. I. N Osuagwu	UPC	N
1977	*Obidiya*	Enyinna I. Akoma	Oxford	N
1978	*Ụnọ àjà*	Uche Okeke	Lincel Publishers	N
1978	*Akuuwa*	Dr. Brotram I. N	Lagos: MacMillan Nigeria Publishers	N

1978	*Egwuregwu Igbo abụọ*	B. I. N Osuagwu	MacMillan	N
1979	*Oguamalam*	Chike Gbujie	Lagos: MacMillan Nigeria Publsihers	N
1979	*Ákwá nwa*	A. B. Chukuezi	African University Press	N
1979	*Echi dị ime*	W. Eneroe	MacMillan	N
1979	*Otu mkpịsịaka*	J. C. Maduekwe	Longman	N
1980	*Akụ fechaa*	A. B. Chukuezi	UPL	N
1980	*Ugomma*	G. Echebima	Evans	N
1980	*Obidiya*	Enyinna I. Akoma	University Press limited	N
1980	*Obi nwanne*	K. Okpi	Evans	N
1980	*Nwata rie awọ*	G. O. Onyekaonwu	UPC	N
1981	*Ụkọji*	M. J. Okafo	UPC	N
1982	*Ọkụ ụzụ daa ibube*	G. O. Onyekaonwu	Longman	N
1982	*Oji isi kọte ebu*	W. Eneroe	Longman	N
1985	*Eriri mara ngwugwu*	G. O. Onyekaonwu	UPC	N
1986	*Ụwa ntọọ*	G. O. Onyekaonwu	African Fep	N
1986	*Ọnụkwube*	Odunke Artists	UPL	N
1986	*Eziokwu bụ ndụ*	M. U. Anukwu	Cecta	N
1987	*Onye chi kere eze*	T. O. Okechukwu	Cecta	N
1987	*Uchenna*	S. N Agomoh	UPC	N
1987	*Ọkụ ghara ite*	G. O Onyekaonwu	Iselberg	N
1988	*Ụwa dị ogbu*	O. D. Ibe	Kawuriz & Manilas, Obosi	N
1989	*Onye kpara nkụ ahụhụ*	I. U. Nwadike	Kawuriz & Manilas, Obosi	N
1989	*Ezinne*	C. Anyasodo	Longman	N
1989	*Adakụ*	Obioma B. Mogbogu	Pacific	Nw
1990	*Omume onye na-edu ya*	Inno Uzoma Nwadike	Pacific publishers	N

1991	*Okwe agbaala*	Inno Uzoma Nwadike	MacMillan	N
1991	*Ome ihe jide ọfọ*	G. I Nwaozuzu	MacMillan	N
1991	*Ojimba*	A. Ubani	UPl	N
1992	*Nwata bulie nna ya elu*	I. U Nwadike	Pacific	N
1993	*A gbachaa ọsọ a gụọ mailu*	C. N. Chile	Metropolitan	N
1995	*Oji ihe nwata*	L. N. Okoro & D. N. Ekpuchie	Charismatic Forum	N
1995	*Ogbu mmadụ ndụ na agụ*	B. N. Igbokwe	Ihem Davis	N
1996	*Ihe onye metara*	G. Okeahialam	Ihem Davis	N
1996	*Chi bụ ọgwụ m*	C. N. Chile	Metropolitan	N
1998	*Fịlamint na ndị otu ya*	P. J. Ezeh (otughari)	Noble Publishers	N
1998	*Ajọ obi*	G. I. Nwaozuzu	Format, Enugu	N
1998	*Akụebiọnwụ*	D. N. Ekpuchie & B. N. Igbokwe	Studioart	N
1999	*Ịhụnanya*	O. Azubike	Joga	N
1999	*Ụwa ka mma na nrọ*	Inno Uzoma Nwadike	Format, Enugu	N
2001	*Ọnwụ na-egbu nwa nkita*	Anozie, C. C. & Igbeaku, B. C.	Filladu	N
2001	*Nkeiruka*	G. N. Echebima	Heinemann	N
2002	*Ihe onye metere*	N. Okediadi	Unik Oriental Printers Ltd	N
2003	*Ndụ dị na ntị*	S. N. Okafo	Hybrid Publishers Ltd	N
2003	*Ọgụgụọ*	J. C. Onuora	Patnomic Printers & Publishers Ltd	N
2003	*Ọchọ ihe ukwu*	J. C. Onuora	Patnomic	N
2004	*Nwata rie awọ (ọ jụ anụ)*	Goddy O. Onyekaọnwụ	Varsity Publishing Company	N

2004	*Ọnụ akọrọ onye uwa*	Stella O. Agwuna	Lincel Publishers	Nw
2004	*Onye gara njem nyuchie nsị ụzọ*	Millicient G. Asogwa	Samuel Publishing Co Enugu	N
2005	*Nkem ji ka*	G. I. Nwaozuzu	Format Publishers Enugu	N
2006	*Iko onye ji ama*	Stella O. Agwuna	Lincel Publishers	Nw
2006	*Atụrụ ga-epu mpi*	Onyefuluchukwu, N.	New Generation Book Ltd	N
2006	*Onye chi mere eze*	E.N. Chukwudike & I. G. Chukwudile	Thonik Prints	N
2006	*Ọnọdụ ugo adịghị egbe mma*	J. I. Obidiebube	Lincel Publisher	Nw
2006	*Ihe egbe mụrụ*	J. C. Onuora	Patmonic Producers Ltd	N
2006	*Ihe agwọ mụrụ*	M. O. Agugu	Fidgina Global Books	N
2007	*Ụwa dị ọkpara*	Okeke, Chika Jerry	Edumail	N
2008	*Afere*	J. C. Obienyem	Samuel's Publishers Co	N
2008	*Ndudo nneke na Azuanuuka*	O. C. Ihejirika	P. C. C & P Ltd	N
2008	*Ka ị ma nke a..*	Agụgụ, M. O	Metag Educational Resources	N
2008	*Ụwa ọgwụgwụ oge*	Uche Ugwuoke	Pacific Publishers Ltd	N
2009	*Nkịta nyara akpa nsị agwụ n'ọhịa*	C. Okeke	Brystevand Publishers	N
2009	*Eruru*	G. I. Nwaozuzu	Format Enugu	N
2009	*Amaghị Igbo asụ oyibo*	J. C. Okeke	Edumail Publications Ltd	N

2009	*Akpịrị richie ụzọ...*	J. I. Obidiebube	Auschaki Inter'l Publishers	Nw
2009	*Ihe chi fotere*	J. C. Okeke	Edumail Publishers	N
2009	*Mmanwụ kote okwu*	Casmir U. Abara	Pacific Publisher Ltd	N
2009	*Ọzụzụ bụ nwa*	Gloria Imo	Mis-Fav Publishers	Nw
2009	*Ọkpọtukwala*	Philip I. N Okoye	Teo Publishers Enugu	N
2010	*Aka ekpuchi eziokwu*	S. N. Okafo	Elites Publishers	N
2010	*Agwọ bara n'ọnụ*	R. M Ozoagu	Fidgina	N
2010	*Oyoyo chi m*	Stella O. Agwuna	Midfield	N
2010	*Ije ego*	Maazi R. M Nwokelue	Noble Resources Ltd	N
2010	Nwadiugwu	Hon. Ezejesi N. R	Pacific Publishers Ltd	N
2011	*Mmiri zochaa anyanwụ awa*	J. J. C. Dike	Pacific Publishers Ltd	N
2011	*A karụsia ngene*	Ifeka, Ogochukwu	Format Enugu	Nw
2011	*Azi hụ akụ*	Augustine Ifedi Onyekwere	Lincel, Onitsha	N
2011	*Omekịịtọrọ*	Hon. Ezejesi, N. R.	Pacific Publishers	N
2011	*Ebe nwa ewu na-akpa nri*	Okechukwu, Otukwu	Noble Resources Ltd	N
2011	*Ihe onye kwere*	Hon. Ezejesi. R.	Pacific Publishers Ltd	N
2012	*Onye ụlọ egbughi onye (ọ pụọ isi awọ)*	Joyce Ifeoma Obidiebube	Lincel Publishers Ltd	Nw
2012	*Nwaanyị ji uru*	Okechukwu Chizitere	Mis-Fav Publisher Nig Ltd	N
2012	*Onye gbakaa ute*	Grace Okuchi Obasi	Pacific Publishers Ltd	Nw
2012	*Onye gbaa bọọlụ*	Aloke Inyere Jnr	Robetech Publishers Ltd	N

2012	*Nkata ekpudo ọkụkọ*	Chizitere Okechukwu	Mis-Fav Publisher Ltd	N
2012	Ụwa adịghị ka e chere	Joseph C. Dike	Pacific Publisher Ltd	N
2013	*Ukpana ntị*	Joseph C. Dike	Pacific Publishers Ltd	N
2013	*Nkụ onye kpatara..*	C. O. Ihejiekwu	Trumpetes Concept	N
2013	*Onye ọsọ ahịa*	Okeke, Chika Jerry	Edumail Publishers	N
2013	*Obioma na ndị mụrụ ya*	Okeke, Chika Jerry	Edumail Publisher	N
2013	*Ụwa na-eme ntụgharị*	Obunne Victor	Pacific Publishers	N
2013	*Zere ụwa*	Okechukwu C. Ihehirika	Format Publishers (Nig) Ltd	N
2013	*Ahịa ọma na-ere onwe ya*	Sr. Mary James Ntiajuokwu	Pacific Publishers Ltd	Nw
2014	*Nkechinyere*	Sr. Mary James Ntiajuokwu	Pacific Publishers Ltd	Nw
2015	*Ihe onye tụrụ n'ahịa*	Okoro Mark Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N
2015	*Mgbọrọgwụ njọ*	Nwoye Ngozi	Pacific Publishers Ltd	Nw
2015	*Ihe onye kwere*	Hon. Ezejesi, N. R	Pacific Publishers Ltd	N
2015	*Nkịta tara ọkpụkpụ anyawara ya n'olu*	Nwogu, N. Ijeoma	Pacific Publishers Ltd	Nw
2015	*Ụwa dị omimi*	Mark Okoro Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N
2015	*Nganga buru ụzọ*	Nwaogu N. Ijeoma	Pacific Publishers Ltd	Nw
2015	*Ibuchim?*	Mark Okoro Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N
2015	*Nze nwata chiri*	Mark Okoro Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N

2015	*Toochi nwa nkecha*	Okeke Chika jerry	Edumail Publishers Ltd	N
2015	*O me ihe jide ọfọ*	Ezumezu Emmanuel	Ask Me Publishers Ltd	N
2015	*Ezesinachi*	Okoro mark Ogbonnaya	Pacific Publisher Ltd	N
2015	*A tuo ilu nkịrịnka nkata*	Okoro Mark Ogbonnaya	Pacific Publisher Ltd	N
2015	*Nwaanyị bụ ihe ukwu*	Joyce Ifeoma Obidiebube	Pacific Publisher Ltd	Nw
2016	*Nwayọ bụ ije*	Ndibe Princess Ngozi	Klaax Limited Onitsha	Nw
2016	*Ọchụ ihe ukwu (Ga-ebute agba enyi)*	Okoro Mark Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N
2017	*Jonjoloko (ka ije ụwa na-atụ)*	Okoro Mark Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N
2017	*Ụwa adịghị ka echere*	Okoro Mark Ogbonnaya	Pacific Publishers Ltd	N
2018	*Otu nne na-amụ*	Mark Okoro Ogbonnaya	Crates Pace Independent Publishing	N
2018	*Ụwa na-eme ntụgharị*	Mark Okoro Ogbonnaya	Crates Pace Independent Publishing	N
2018	*Chiazoka*	Cecelia Ifeoma Okeke	Format Publishers Onitsha	Nw
2019	*Ihe ana-achọ n'uko elu..*	Robert M. Nwokelue	Ask Me Publishers	N
2020	*Ogadimma*	Chinenye Okolo	Lincel Publishers Ltd	Nw
2020	*Ọnụ ndị ụwa*	Obidike, Calista	Klaax Limited Onitsha	Nw
2020	*Nwa eyighi nna*	Emmanuel Chinedu	Ask Me Publishers	N
2020	*Ụwa bụ nke onye?*	Nwogu N. Ijeoma	Metag Publisher	Nw

2020	*Akụ nke ụwa*	Philip I. N. Okoye	Teo Publishers	N
2020	*Gbawa mbọ*	S. N. Okafor	Elite's Publishers	N
2020	*Ikenna nwata ntị ike*	Ezumezu, Emmanuel	Ask Me Publishers	N

5. Nchịkọta na mmechi

Nchịkọta bara nnukwu uru maka na ọ na-enye aka ewepụta uto e nwerela n'amụmamụ. Nchọcha a mere nchịkọta ejije ederede Igbo niile e nwerela malite n'afọ 1974 ruo 2020. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na e nwere ike inwe ụfọdụ akwụkwọ ejije ndị edepụtaghị na nchịkọta a mana ha ga-epe mpe. Nke a bụ maka na ndị nchọcha gbara mbọ ma gaa n'ụlọ ọrụ mbipụta dịgasị iche iche a maara na-ebipụta akwụkwọ ejije Igbo ma dekọta aha akwụkwọ ejije.

Otu ihe na-anaghị agbanwe na ndụ bụ uto. Mmadụ na-eto eto, agụmagụ na-etokwa eto. Ejije ederede Igbo na-etokwa mana ọ ga-adị mma ma e nyere uto ya aka. Nke a ga-enye aka ịkwalite mmasị ndị mmadụ na-enwe n'odide ejije ederede Igbo. A nyụkọọ mamịrị ọnụ, ọ gbaa ụfụfụ. N'otu aka ahụ, e tinyekọọ aka ọnụ na nkwalite agụmagụ Igbo, ọ nọrọ n'otu ogo n'ebe agụmagụ mba ụwa ndị ọzọ nọ.

Nchọcha a bụ nke ndị **Tertiary Education Trust Fund (TETFund) kwadoro.

Nrụmaka

Akaeze, C. M., Abọh, S. C. & Ugwuoke, P. E. (2021). *Ntọala ọdịnịigha Igbo ọlọrọọhụrụ*. Obosi: Pacific Publishers Ltd.

Australian Bureau of Statistics (nd). Census and sampling: Statistical terms and concepts. Nke e wetara na *https://www.abs.gov.au/statistics/understanding-statistics/statistical-terms-and-conceptd/census-and-sample*.

Hair, P. E. H. (1967). *The early study of Nigerian languages, essays and bibliographies.* Cambridge: Oxford University Press.

Ikeokwu, E. S. (2021). *Mkpọlite nkụzi na ọmụmụ ejije Igbo*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B. M. & Mbah, E.E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwadike, I. (1998). Igbo contemporary drama: Early beginnings, bibliography and classification. *Nsukka Journal of the Humanities*, 9, 108-115.

Nwadike, I. (2002). Agụmagụ Igbo: Iduuazị, akụkọ nkenke, ejije na abụ, 1933–2001. Paper presented at the Seminar on Igbo Studies in the 21st Century, June 12–13, University of Nigeria, Nsukka.

Nwadike. I. (2014). Agumagu Igbo: Akwukwo ndi e biputara 1933-2013. Akwụkwọ ngụpụta e mere n'ọgbakọ Igbo Studies Association Conference 2014.

Okafor, J. N. (2011). Ejije. N'ime J. I. Obidịebube, C. J. Anịdobe & C. C. Ekwealor (Odz.), *Amụmamụ ozuruọha Igbo 2* (pp. 58-67). Nsugbe: Homer & Hammer Ltd.

Okodo, I. (2012). The need for teaching Igbo literature as a full fledged subject in Nigerian secondary schools. *Internet Affrev*, 1(2), 40-45.

Oraegbunam, C. U. (2021). The developmental trajectory of written Igbo poetry (1975-2015): The influence of the missionaries and the birth of the Igbo oriented poetry. *African Study Monographs*, *41*(2), 35-50.